# ILU IGBO DỊ KA Ọ DỊ N'ỤFỌDỤ EJIJE IGBO NDỊ E JIRI MEE NCHỌCHA

**Augustine Chimaijem Ọkwọ**
Dept of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages,
University of Nigeria, Nsukka
okwoagc@gmail.com, **+2348034362187**

**Ejimofor Patience Oledimma**
Ngalaba Igbo, Federal Koleeji Keedukeshon,
Ofeme Umuahia
ejimdimma@gmail.com, **+2348036448808**

**Na**

**Linus Ositadimma Okereke**
Department of Linguistics and Nigerian Languages
Alex Ekwueme Federal University
Ndufu Alike Ikwo, Ebonyi State.
osylofrank@gmail.com **+2348074856850**

## Ụmịedemede

Nchọcha a lebara anya n'ilu Igbo n'ụfọdụ ejije Igbo. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ilu Igbo dị iche iche e

nwere n'ụfọdụ ejije Igbo ndị e jiri mee nchọcha, nakwa ịkọwapụta ihe ilu ndị ahụ pụtara n'ọnọdụ e jiri tụọ ha n'ejije Igbo ndị ahụ e jiri mee nchọcha. Ejije ndị ahụ e jiri mee nchọcha a bụ ndị a: Akpịrị Richie Ụzọ (ARỤ) na ka ị ma-nke a (K Ị M N A). Ọ bụ usoro nsere nzube ka e jiri họpụta ejije Igbo ndị ahụ e jiri mee nchọcha a, bụ nke mere na ndị nchọcha a gụrụ ọtụtụ ejije Igbo tupu ọ họpụta ejije abụọ ndị ahụ e jiri mee nchọcha a. E jiri atụtụ ọnọdụ na atụtụ diskọs analisis wee tụcha njiatule nchọcha a. Nchọpụta nchọcha a na-egosi na ọnọdụ ndị kachasị wee pụta ihe bụ ihe ndị ahụ mere ndị tụrụ ilu Igbo ndị ahụ jiri tụọ ha n'ejije Igbo ndị ahụ e jiri mee nchọcha gunyere ọnọdụ ndị a: mkparịta ụka, esemokwu/okwu na ụka na ọgbakọ. Nchọpụta nchọcha a na-egosikwa na ọ bụrụ na ndị odee agụmagụ Igbo etinyewe ilu Igbo n'agụmagụ ha, ọ kachasị n'ejije Igbo, na ọ ga-enye aka ka ndị amaghị ilu Igbo chọrọ ịma ha mara ha, ma nyekwa aka n'ịkwalite ọnụ ọgụ mkpụrụokwu Igbo bụ ndị ga-enye aka ka asụsụ Igbo kwụrụ chịm.

**Ọkpụrụkpụ okwu**: ndị bụ ndị Igbo, ebe bụ ala Igbo, ilu Igbo, ejije Igbo,

## Abstract

This study investigates the re-enactment of Igbo proverbs in Igbo plays. The main objectives of the study are to explore the contexts and the meanings of the Igbo proverbs in the contexts they occur in the selected Igbo plays. The selected Igbo plays in this research work are: Akpịrị Richie Ụzọ (A R U) and ka ị ma nke a (K Ị M N A). The Igbo plays were selected using the purposive sampling techniques from many Igbo plays. The study

adopts the theoretical frameworks of the contextual and discourse analysis theories. The findịngs of the study prove that the predominant contexts where the Igbo proverbs were re-enacted in the study are in the contexts of discussions, disputes and meetings. The study also finds out that the Igbo playwriters used the Igbo proverbs in the Igbo plays in their appropriate contexts, with appropriate meanings. The study concludes that in recent time, if the Igbo playwriters are becoming extent, the contemporary Igbo literary works such as Igbo plays are capable of educating modern Igbo people who may not have the knowledge of how to explain the meanings of Igbo proverbs in the contexts they occur. Therefore, the Igbo plays should work as rich tools for the documentation of endangered Igbo culture practices in general.

**Mkpọlịte**

Agụmagụ Igbo ma ọ bụ nke ọnụ ma ọ bụ nke ederede na-eṅomi ebimndụ ndị Igbo. Ọ bụ n'ihi nke a ka ndị ọkammụta na ọkankuzi agụmagụ Igbo ji ahụta agụmagụ dịka enyo ndị Igbo. Ọ bụrụ na agụmagụ eṅomighị ndụ na ebimndụ ndị Igbo, a na-ahụta agụmagụ ahụ dịka nke ụwa nrọ. E nwere ụzọ atọ bụ ebe agụmagụ nwere ike iji ṅomie ndụ ndị nwe ya. Ụzọ atọ ndị a bụ: abụ, ejije, na iduuazị. Mana, mbinobi nchọcha a bụ igọsịpụta etu ilu Igbo ụfọdụ siri bata n'ụfọdụ ejije Igbo.

Ọfọmata (2007) kwuru na a naghị akọwa ilu na a nụrụ ilụ a tụrụ, kama a na-akọwa ya na a ghọtara ihe ilu a tụrụ na-akọwa. Onye ọ bụla na-akọwa ilu na-eji ezigbo echiche ya eme nke a n'ihi na ọ bụghị otu ahụ o siri nụ ya ka ọ ga-esi

ghọta ya. Ọ bụ naanị ofeke si otu a eme. Ọ bụrụ na e jiri ilu wee kọwa okwu sị gị, ngwa kọwa ilu e jiri kwuo okwu ahụ, naanị ihe ị ga-eme bụ na ị ga-esi na nghọta i nwetara n'okwu ahụ e kwuru, were kọwaa ilu ahụ e jiri kwuo ya bụ okwu. Ọ bụrụkwanụ na ị ghọtara okwu ahụ nke ọma nakwa ilu e jiri kwuo ya, ọ gaghịkwa ahịa gị ahụ ịkọwa ya. Ọ bụrụkwanụ na ọ bụ n'edemede ka e nyere gị ilu ka ịkọwaa, naanị ihe ị ga-eme bụ site na nghọta i nwetara n'edemede ahụ, were kọwa ilu ahu e nyere gị. Ihe kpatara ị ga-eji mee otu a bụ maka na onye ọ bụla maara atụ ilu nke ọma na-atụ ya ọ daba n'ihe a na-ekwu ma ọ bụ a na-ede. Mana ọ bụrụkwanụ ihe ọ bụ naanị ya kwụ, a sị gị kọwaa ya bụ ilu e jiri kwuo okwu, kọọ akụkọ ma ọ bụ were dee edemede, ihe izizi ị ga-eme bụ na ị ga-echebara ya echiche ime tupu ị malite kọwaba ya. A dakwasịkwala ya ozugbo ị hụrụ ya, were malite kọwaba ya otu ahụ i siri hụ ya. I mee otu ahụ, ị maara na ị bụ ezigbo ofeke. Ị ga-agba mbọ ghọta na ilu ọ bụla nwere ihe ọ na-akọwa n'ọnọdụ e jiri tụọ ya, ma ọ bụ ihe nghọta ya bụ n'ihe mere e jiri maka ya tụọ ya. Ihe ọ na-ekwu maka ya nwere ike bụrụ maka ihe ọzọ. Ọ bụrụ na ị matachaa ihe dị otu a, ị maara na ugo eberela na mgbagbu, o nweghịzị ihe ga-eme ka ị ghara inweta nkọwa ilu ọ bụla.  N'ihi nke a, kọwa ilu site na nghọta ya n'ọnọdụ e jiri tụọ ya ma ọ bụ ihe mere n'ọnọdụ ahụ mere e jiri tụo ya bụ ilu. A kọwala ya site n'out e siri kwuo ma ọ bụ deputa ya.

Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ilu Igbo dị iche iche e nwere n'ụfọdụ ejije Igbo ndị e jiri mee nchọcha, nakwa ịkọwapụta ihe ilụ ndị ahụ pụtara n'ọnọdụ e jiri tụọ ilu ndị ahụ n'ejije Igbo ndị ahụ e jiri mee nchọcha. Uru nchọcha a bara bụ na ọ ga-enye aka ka ndị amaghị ka e si akọwa

ilu Igbo chọrọnụị ma maara ya nakwa ịkwalite mkpụrụokwkụ Igbo n'agụmagụ Igbo, ma ọ bụrụ na ndị odee tinyewe ilu Igbo n'ejije Igbo. Njiatule ndị e jiri mee nchọcha a sitere n'ejije Igbo abụọ ndị a họpụtara bụ ndị nwere ihe a chọrọ ka a gụchara ọtụtụ ejije Igbo. Ha bụ ndị a: Akpịrị Richie Ụzọ (N R Ụ) na ka ị ma nke a (K Ị M N A). Bidọ n'ebe a gawa, aha mkpirisi ejije ndị ahụ dị n'elu ka a ga-ejizi nọchite anya aha ejije ederede ndị ahụ e jiri mee nchọcha. Ọ bụ atụtụ dịskọs analisis na atụtụ ọnọdụ ka a ga-eji tụchaa njiatule nchọcha a.

## Ntulegharị Agụmagụ

### Ndị bụ ndị Igbo

Eze (2019), kwuru na ndị Igbo bụ ndị isi ojii, ńtùtù ha dị ojii, ha bị n'ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Asụsụ ha bụ Igbo, ma ha bụ otu agburu a mara nke ọma n'ịgba mbọ na Naịjirịa. Ha gbasara n'akụkụ Naịjirịa niile bido n'ugwu ruo na ndịda ebe ha na-achọ ihe afọ ga-eri. Ha na-agba oke mbọ n'ịzụ ahịa, ọrụ oyibo, ịkọ ọrụ ugbo nakwa aka ọrụ dị iche iche. Na nchọcha a, ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ kachasị agba mbọ onwe ha, ma sorokwa n'agbụrụ kachasị n'ọnụọgụ na Naịjirịa. Nke a mere na ha bi na steeti ise so pụta ihe na Naịjịrịa nke malitere na steeti Enugwu, Anambara, Imo, Abịa na Ebonyi.

### Ebe bụ ala Igbo

Eze (2019) kọwakwara na ala Igbo zonyere ụ̀kwụ́ na mpaghara ala Naịjirịa ndị a: steeti Enugwu, Imo, Anambra, Ebonyị na Abịa. A na-asụkwa asụsụ Igbo na steeti ndị ahụ na-agbanyeghị na a na-asụkwa bekee (National language) na ha. Obodo ndị olu ha na-àká

apụtakarị ihe n'asụsụ Igbo bụ Nsụka, Udi, Aba, Owere, Enugwu, Onịsha, Abakaleke, Afikpo, Agbo, Ọlụ, Ọkigwe, Ụmụahịa, Asaba, Diobu, Nnewi, Ọka wdgz. Na nchọcha a, ebe bụ ala Igbo bụ steeti ise ndị ahụ dị n''ọwụwa anyanwụ Naịjirịa bụ ndị nwe asụsụ Igbo, ha bụ Enugwu, Abịa, Imo, Anambra na Ebonyị.

**Ilụ Igbo**

Ọfọmata (2007), kọwara ilu Igbo dịka otu n'ime atụmatụ okwu ndị Igbo.Ọ bụ ya ka ndị Igbo ji agwa Chineke ha okwu. Nke a gosiri nandị Igbo ji ilu e gosipụta ka ha siri hụta ụwa. Ilu Igbo abụghị maka ofeke, e ji ya akpakwa ọchị ma ọ bụ anwụrị n'ọgbakọ, ilụIgbo bụkwa okwu amamihe nke na-eme ka e chemie echiche nke ọma n'ihe a na-ekwu maka ya.Ọzọkwa, n'ala Igbo gbaa gburugburu, ilu bụ ọkwu ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Ọ bụkwa ilu ka ndị Igbo ji eme ka okwu ha dị ụtọ na ntị ma kakwazie aka na nghọta. Ilu bụkwa okwu amamihe ka e ji mara ya n'ihi na a na-ewere onye amaghị ilu n'ala Igbo dika onye na-aṅụjughị ara nne ya afọ nke ọma. Na nchọcha a, ilu bụ ṅnu na mmanụ ma ọ bụ abụbọ ndị Igbo ji achọ asụsụ ma ọ bụ okwu ha na-ekwu mma. Ha jikwa ya eme ka ofeke ghara isonye n'ihe a na-ekwu maka ya.

**Ejije Igbo**

Nwadike (2013) kwuru na ejije Igbo bụ enyo ndị Igbo ji ahụ omume ma ọ bụ ndụ ha ma bụrụkwa ebe nhibe isi omenaala nakwa ọdịnaala ndị Igbo. Nwadike (2003) gakwara n'ihu na-akọwa na ejije ndị Igbo bụ ejije ndị ahụ e dere n'asụsụ Igbo ma bụrụkwa nke na-ejije ndụ ndị Igbo.

Ejije Igbo dị nnukwu mkpa n'ịkwalite ahụike nakwa agamnihu ndị Igbo. Ọ bụ site n'ejije Igbo ka ndị Igbo si amata ihe kpatara ihe jiri mee nakwa ihe ihe ndị ahụ mere nwere ike iweta na ndụ ndị Igbo. Ide ejije bụkwa akaọrụ ndị Igbo. Na nchọcha a, ejije Igbo bụ ejije ndị ahụ e jiri asụsụ Igbo wee jijee mana-egosipụtakwa ihe ọ bụla gbasatara ndụ ọdịnaala nakwa omenaala ndị Igbo.

## Atụtụ Metutara Nchọcha a

### Atụtụ Ọnọdụ

Atụtụ ọnọdụ bụ atụtụ e jị enyọcha ma ọ bụ amụ maka asụsụ nakwa agụmagụ. Atụtụ a sitere n'aka Greetz (1973), mana Anis na David (1978) haziri atụtụ a n'ụzọ bụ ọpụrụ iche site na-ịkọwa ya ka ọ bụrụ nchịkọta ọtụtụ atụmatụ dị na fịlọsọfịi, bụ nke gbadoro ụkwụ na ọ ka mma iji ọnọdụ ma ọ bụ mgbe ihe mere wee kọwa ihe ahụ mere. Schaffer na Knobe (2011), kwuru na atụtụ ọnọdụ na arụtụ aka n'ihe ọ bụla gbasara amamihe. Ha kwukwara n'ihe na-eme di ezigbo mkpa mana e wepu ọnọdụ ihe ahụ jiri mee na ọ gaghị enwe ezigbo nghọta zuru oke. Schaffer na Knobe (2011) gara n'ihu kọwa na agwa, ogo olu, echiche, ajamike ma ọ bụ otito na ọsịsa nke ndị nọ n'emume ahụ bara uru nke ukwu n'anya ndị nwe ya (emume ahụ). Ya mere a ga-eji lebaa anya nke ọma ka ọnọdụ na ihe mere naya bụrụ ihe ga-abata n'agụmagụ.

Beredt (2008) n'echiche nke ya kwuru na ọnọdụ ma ọ bụ agụmagụ na-ekwụ maka omenaala na uru ha na-abara ndị nwe ha. Nke a ga-eme ka ọgụụ ma ọ bụ onye nkiri ghọtachaa ihe niile e mere ma o bụ e kwuru na mmemme

ahụ bụ nke gbasatara ndị nwe emume ahụ. A ga-eji atụtụ ọnọdụ nke si n'aka Schaffer na Knobe (2011) wee tụchaa njiatule na nchọcha a maka na ilu ọ bụla a tụrụ n'ejije ndị ahụ e jiri mee nchọcha a nwere ọnọdụ nakwa ihe mere e jiri maka ya wee tụo ya bụ ilu.

**Atụtụ Diskọs Analisis**

Atụtụ diskọs analisis dịka Bowles (2008) siri kọwa ya gbadoro ụkwụ na nghọta ihe e kwuru n'ọnụ ma ọ bụ ihe e dere ede pụtara mgbe ahụ e kwuru ya ma ọ bụ e dere ya, nakwa ka onye a gwara ma ọ bụ onye gụrụ ya siri ghọta ya oge ahụ e kwuru ya ma ọ bụ e dere ihe ahụ. Atụtụ a na-akọwa na okwu ọ bụla e kwuru ekwu ma ọ bụ nke e dere ede ga-adaba n'ihe mere e jiri maka ya kwue ma ọ bụ dee ihe ahu mgbe e kwuru okwu ahụ ma ọ bụ e dere ya ka nghọta ya daba n'ihe e jiri maka ya kwue ma ọ bụ dee ya. Wodak na Meyer (2008) kewapụrụ krịtịkal Diskọs Analisi (C D A) n'ebe Diskọs analisi (DA) nọ site na-ikwu na ndịiche dị n'etiti Diskọs Strọkụchọ (DS), ma ọ bụ Diskọs Analisis (DA) na 'krịtịkal Diskọs Strọkụchọ' (CDS) ma ọ bụ 'Krịtịkal Diskọs Analịsis' (CDA), bụ na krịtịkal Diskọs Analisis (CDA) na-eleba anya n'ọtụtụ ngalaba ihe ọmụmụ dị iche iche mana ọ naghị eleba anya na sayensị asụsụ kama ihe ọ na-eleba anya na ya bụ ihe gbasatara mmekọrịta na-adị n'etiti mmadụ na ibe ya n'obodo, bụ nke gbasara aka na-achọ ọtụtụ ngalaba ihe ọmụmụ nakwa ọtụtụ usoro a ga-eji mụọ ha. Atụtụ a bụ Diskọs Analisis (DA), bu nke si n'aka Bowles (2008) dabara nke ọma n'iji ya wee tụchaa njiatule nchọcha a maka na ọ ga-enye aka n'ịkọwapụta ihe ilụ dị iche iche e nwetara n'ejije Igbo ndị ahụ e jiri mee nchọcha, nakwa ka nghọta ha siri daba

n'ọnọdụ ma ọ bụ ihe ndị mere mgbe ndị tụrụ ịlụ ndị ahụ jiri tụọ ha n'ejije Igbo ndị ahụ e jiri mee nchọcha a.

**Nchọcha e merela banyere isiokwu**

N'ebe a, ndị nchọcha lebara anya n'ụfọdụ nchọcha ndị ọzọ merela bụ ndị metutara nchọcha a. Ugwuoke (2021) mere nchọcha banyere otu ndị Nsụka ji ilu atụtụ akpụ okwu egosiputa ọrụ nwoke na nwaanyị. Mbunuche nchọcha a bụ iji kwalite ma chekwaba ilu atụtụ na Nsụka, nakwa n'ala Igbo dum. Nke a bụ maka usoro obibi ndụ ndị Nsụka nke gbadoro ụkwụ n'abụm oke na nwunye. Ọ bụ maka nke a ka nchọcha ahụ jiri chọ iji ụfọdụ ilu atụtụ akpụokwu dị na Nsụka nke gbadoro ụkwụ n'abụm oke na nwunye wee nyocha ọrụ oke na nwunye na mpaghara Nsụka Igbo. Nke a bụ iji gosipụta omume a tụrụ anya n'aka nwọke ma ọ bụ nwaanyị nke gosịpụtara onwe ya n'ilu atụtụ ndị ahụ nchọcha a jiri kwara ngwa ọrụ.

Nchọcha a jiri atụtụ ndị na ụbụrụ nke metụtara abụm oke na nwunye nyocha ma tụchaa ilu atụtụ akpụ okwu ndị Nsụka Igbo, ka ha mara ụdị omume dị iche iche ndị Nsụka na-atụ anya n'aka nwoke na nwaanyị nọ n'etiti ha. Nchọcha a jikwara usoro nkọwami wee kwara ngwa ọrụ. Ilu atụtụ e jiri rụọ ọrụ bụ nke ndị nchọcha chịkọtara site aka ndị okenye ndị mara ihe ekwe na-akụ na Nsụka n'ihe gbasara ilu atụtụ. Nchọpụta ihe ọmụmụ a gosiputara n'ilu atụtụ na Nsụka bụ nke ha ji echekwaba ma na-ebugota omenaala ha. O gosikwara na ilu atụtụ na-eme ka ndị mmadụ nwee ezigbo usoro obibi ndụ n'ala Nsụka. Nchọcha a gosipụtakwara na site n'ilu atụtụ ndị Nsụka, na-amata otu ha si ahụta ụwa. N'ikpeazị, nchọcha a na-egosi na ọ bụrụ na ndị odee agụmagụ Igbo tinyewe ilu

atụtụ akpụ okwu ndị Nsụka n’agụmagụ ha na ọ ga-eme ka mkpụrụ okwu Igbo na-abawanye nke ọma. Nyiri dị n’etiti Ugwuoke (2021) na nchọcha nke a bụ na ha abụọ mere nchọcha maka ilụ Igbo, ebe ndị iche dị na ha abụọ bụ na Ugwuoke (2021) mere nchọcha maka ilu atụtụ akpụ okwu na Nsụka Igbo ebe nchọcha nke a na-eleba anya n’ilu Igbo n’ụfọdụ ejije Igbo.

Okafor (2014), mere nchọcha banyere ihe ojoo, ị ma amụma, ịchụ aja na ebụmnuche ndị odee n’ọtụtụ ejije ọlọrọọhụrụ Igbo. Ebumnuche nchọcha ahụ bụ ịchọpụta ma o nwere ka ihe ọjọọ, amụma na ịchụ aja siri weta agamnihu na nghọta isiokwu n’ejije Igbo. Nchọcha a jiri atụtụ nkọmirikọ nke na-akọwa ka ihe siri malite wee tụchaa njiatule ya. Nchọcha a chọpụtara na ajọ nrọ na amụma kacha pụta ihe n’ejije Igbo ndị e jiri mee nchọcha ahụ. Nchọcha a chọpụtara na ịgba afa, ịchụ aja, ichi echichi, ịba otu nzuzo na ịṅụ ịyị bụ usoro ekpemekpe kacha pụta ihe n’ejije Igbo ndị e jiri mee nchọcha. Nchọcha a chọpụtara na ụfọdụ ndị odee ejije Igbo jiri usoro ekpemekpe ndị ahụ dị n’ejije ndị ahụ wee gosipụta usoro obịbị ndụ ọdịnaala nakwa omenaala ndị Igbo. Myiri dị n’etiti nchọcha Okafor (2014) na nchọcha nke a bụ na ha abụọ bụ na nchọcha ha gbadoro ụkwụ ma ọ bụ lebara anya n’ụfọdụ ejije Igbo. Ebe ndịiche dị n’etiti ha abụọ bụ na nchọcha Okafor (2014) gbadoro ụkwụ n’ihe ọjọọ dị iche iche dị n’ụfọdụ ejije Igbo, ebe nchọcha nke a na-eme ugbu a na-eleba anya n’ịchọpụta ilu Igbo dị iche iche e nwere n’ụfọdụ ejije Igbo ndị e jiri mee nchọcha, nakwa ịkọwapụta ihe ịlụ ndị ahụ pụtara n’ọnọdụ e jiri tụọ ilu ndị ahụ n’ejije Igbo ndị ahụ e jiri mee nchọcha.

**Nchịkọta ntulegharị agụmagụ**

N'ebe a, ndị nchọcha lebara anya n'ụfọdụ nchọcha si n'aka Ugwuoke (2021) na Okafor (2014), Ugwuoke (2021) gbadoro ụkwụ n'otu ndị Nsụka si eji elu atụtụ akpụ okwu agọsiputa ọrụ nwoke na ọrụ nwaanyị. Ebe Ọkafor (2014) agbadoro ụkụ n'ihe ọjọọ dị iche iche dị n'ụfọdụ ejije Igbo ndị e jiri mee nchọcha. Man aka o sila dị, n'ime nchọcha ndị ahụ liile a tụlere, o nweghi nke lebara anya n'ilu Igbo dịka ọ dị n'ụfọdụ ejije Igbo ndị e jiri mee nchọcha. Ejije ndị ahụbụ: Akpịrị richie ụzọ (ARỤ) naka ị ma nke a (K Ị M N A).

## Atụtụnji arụ ọrụ

Atụtụ njiarụ ọrụ na nchọcha a bụ atụtụ diskọs analisis na atụtụ ọnọdụ. Atụtụ Diskọs analisi (DA), dị ka Bowles (2008), siri kọwa ya gbadoro ụkwụ na nghọta ihe e kwuru n'ọnụ ma ọ bụ ihe e dere ede pụtara mgbe ahụ e kwuru ya ma ọ bụ e dere ya nakwa ka onye a gwara ma ọ bụ onye gụrụ ya siri ghọta ya. E jiri atụtụ diskọs analisis wee tụcha njiatule nchọcha a maka na ilu ọ bụla a tụrụ n'ejije Igbo ndị ahụ e jiri mee nchọcha ga-enweriri nghọta n'ọnọdụ a nọrọ tụọ ya. Atụtụ diskọs analisi batakwara na nchọcha a maka na ọ na-ekwu na ihe ọ bụla e kwuru n'ọnụ ma ọ bụ e dere ede ga-adaba n'ihe e jiri maka ya kwụe ma ọ bụ dee ya, nke ilu Igbo ndị ahụ dị n'ejije Igbo ndị e jiri mee nchọcha a so na ha.

N'aka nke ọzọ, Schaffer na Knobe (2011) kwuru na atụtụ ọnọdụ na-arụtụ aka n'ihe na-eme dị ezigbo mkpa mana e wepu ọnọdụ ihe jiri mee na ọ gaghị enwe ezigbo nghọta zụrụ oke. Schaffer na Knobe (2011) gakwara n'ihu kwuo na agwa, ogo olu, echiche, ajamike ma ọ bụ otito na ọsịsa nke ndị nọ n'emume ahụbara uru nke ukwu etu emume

ahụ siri bakwa uru n’anya ndị nwe ya. Ya mere a ga-eji lebaa anya nke ọma ka ọnọdụ na ihe mere n’ọnọdụ bụrụ ihe ga-abata n’agụmagụ. E jiri atụtụ ọnọdụ wee tụcha njatụle na nchọcha a maka n’ilu ọ bụla a tụrụ n’ejije Igbo ndị ahụ a họrọ wee mee nchọcha ga-enwerịrị ọnọdụ a nọrọ na ya tụọ ya bụ ilụ. Atụtụ ọnọdụ batara na nchọcha a maka na o lebara anya n’ọnọdụ ihe jiri me bụ nke ilu Igbo dị iche iche e nwetara n’ejije Igbo ndị a họrọ nwegasịrị ọnọdụ dị iche iche ha batara n’ime ha mere e jiri tụọ ha.

## Ntụcha njiatule

Na nchọcha a, a ga-ahụ na e wepụtachara ilu niile dị n’ejije Igbo ndị ahụ e jiri mee nchọcha. A ga-agbakwa mbọ hụ na a kọwachara ọnọdụ ma ọ bụ ihe niile ndị ahụ mere e jiri maka ha tụọ ilu ndị ahụ n’ọnọdụ e jiri tụọ ha n’ejije Igbo ndị ahụ a họrọ mee nchọcha. A ga-eji atụtụ ọnọdụ na atụtụ dịskọs analisis wee kọwapụtachaa ebe ilu Igbo ndị ahụ batara nakwa ihe ha pụtara n’ejije Igbo ndị ahụ e jiri mee nchọcha n’ala ala.

## Ilu Igbo na nghọta ha dịka ha siri bata n’ọnọdụ dị iche iche n’ejije a họrọ

Ilu Igbo so n’atụmatụ-okwu ndị ahụ ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma, bụ ndị e nwetara n’ejije Igbo ndị e jiri mee nchọcha a. Ndị Igbo bụ ndị nwere mmasị pụrụ iche n’iji ilu were na-agwa onwe ha okwụn’ ọgbakọ, ka ha were maara ndị bụ ofeke n’etiti ha. Ọnọdụ ma ọ bụ ebe dị iche iche ilu Igbo batara nakwa ihe ha pụtara n’ejije Igbo ndị e jiri mee nchọcha gụnyere ndị a dị n’ala ala.

## Ọnọdụ mkparịta ụka

*"Ọ bụghị iji ọnụ tinye azụ n'ofe"*. Onye tụrụ ilu ahụ bụ Mz. Amadị n' 'ARỤ', mgbe ya na Anọhụ na nnọrụka na-akparịta ụka banyere onye ga-abịa ịlụ Toochi nwa Ezejiakụ ka o siri bụrụ aka ji akụ. Ihe ilu ahụ pụtara n'ọnọdụ e jiri tụọ ya bụ iji ilu ahụ were too ma ọ bụ ịgosi na onye ahụ ga-abịa ịlụ Toochi nwere ihe ọnụ kpọrọ ego na ọ bụghị iji tuo ọnụ ma nchaa (ihuakwụkwọ -3). Atụtụ ọnọdụ na atụtụ diskos analisi batachara nke ọma n'iji ha tụcha njiatule nchọcha a ma bakwa uru nke ọma maka na ilu ọ bụla a tụrụ na nchọcha a nwere ọnọdụ e jiri tụọ ya ma nwekwa nghọta dabara nke ọma n'ihe mere e jiri tụọ ya n'ọdụdụ ahụ.

**Ọnọdụ mkparịta ụka**

Ilu ọzọ batara n'Ọnọdụ mkparịta ụka n''ARỤ', n'ihụ akwụkwọ -10, bụ nke a: "*ikwu amaghị, ibe ezi ya*". Onye tụrụ ilu ahụ bụ Mz. Amadị mgbe ya na nwunye ya bụ Ugodiya na-akparịta ụka maka alụmdị na nwunye ga-adị n'etiti nwa ha nwaanyị bụ Ụzọma na Akụebuo. Ugodiya were na-ajụ di ya bụ amadị kedu ka a ga-esi mee. Amadị wee tụọrọ ya ilu ahụ. Ihe ilu ahụ pụtara n'ọnọdụ o jiri tụọ ya bụ na onye ajụjụ anaghị efu ụzọ, ya bụ ka ha je jụta ndị ọzọ alụrụla nwa ha ka ha siri wee mee nke ha, (ihu akwụkwọ - 10). Na nchọcha a, e jiri atụtụ ọnọdụ na atụtụ diskọs analisis wee tụcha njiatule ya maka na ilu ọ bụla atụrụ n'ejije ndị e jiri mee nchọcha nwere ọnọdụ a nọrọ naya tụọ ya, ma nwekwaa ezigbo nghọta n'ihe mere e jiri tụọ ya n'ọnọdụ ahụ.

**Ọnọdụ mkparịta ụka**

Chukwu mekwa ka ọ bụrụ na o nweghị nsogbu ọ bụla maka na o nwee "*ị mara na e gbupu ịsị, ya na ntị esoro*". Ọkwu ndị ahụ a kara ihe n'okpuru bụ ilu sitere n' 'ARỤ',Onye tụrụ ịlu ahụ bụ Ụzọma mgbe ya na Uju na-akparịta nkata maka Soromtoo, Uju wee na-ajụ ya ma Soromto na akpọtakwa ya na ekwentị, ọ zara ya na e wepu nke ọ kpọrọ n'ọnụ ụtụtụ, na ọ kpọkwaghị ọzọ, o wee tụrọrọ ya ilụ ahụ, ihe ilu ahụ pụtara n'ọnọdụ Ụzọma jiri tụọ ya bụ ilu bụ na ihe ọjọọ mee Soromtoo na ya bụ ụzọma ga-esoro ya wee nwụọ (n'ihụakwụkwọ- 16). Atụtụ ọnọdụ na atụtụ diskọs analyisis dabara nke ọma n'iji tụcha njiatule nchọcha a maka na ilu niile a tụrụ na nchọcha a nwere ọnọdụ a nọrọ tụọ ya bụ ilu, ma nwekwaa ezigbo nghọta dabara adaba nke ọma n'ihe mere e jiri tụọ ya bụ ilu n'ọnọdụ ahụ a nọrọ tụọ ya.

## Mkparịta ụka

Ebe ilu ọzọ batara n'ọnọdụ mkparịta ụka bụ n' "ARỤ" mgbe Ụzọma bịara be Soromtoo. Ka ọ kọrọọ ya na ndịbe ya (Nne na Nna ya) sịrị na ọ gaabụ Akụebuo ga-alụrịrị ya. Ka ha nọ na-akparịta ụkamaka ya, Soromtoo wee malite bewe ákwá, Ụzọma wee kasiwe ya obi ma na-agụgụ ya akwa, ma tụọrọ ya ilu a: "*Dịbịa a kpọrọ ka ọ chụọ ndị mmụọ, ka ndị mmụọ bịazịrị chụwakwa dịbịa*".

Okwu ndị ahụ a kara ihe n'okpuru bụ ilu, ihe ịlụ ahụ pụtara n'ihe mere nakwa ọnọdụ e jiri tụọ ya bụ na ụzọma bịara ka Soromtoo kasie ya obi ma gwa ya ihe ọ ga-eme maka ịlụ dị ndị be ha sịrị na ọ bụ Akụebuo ga-alụrịrị ya,

ma Soromtoo ebewezie akwa, ọ bụrụzie ụzọma na-akasizi Soromtoo obi ma na-enye ya ndụmọdụ bụ nke ọ bụ Soromtoo kwesiri na ọ ga-akasi ụzọma obi ma nyekwa ya ndụmọdụ kwesiri ekwesi (Ihu akwụkwọ-32). Anyị lee anya nke ọma n'ilu ahụ, a ga-ahụ na o nwere ọnọdụ ma nwekwa ezigbo nghọta dabara nke ọma n'ihe mere e jiri tụọ ya n'ọnọdụ ahụ. Ya mere atụtụ ọnọdụ na atụtụ diskọs analisis jiri baa uru ma dịkwa mkpa e jiri tụcha njiatule nchọcha a.

## Ọnọdụ Nsogbu/ Okwunụka

"*Nne ewu na-ata agbara, nwa ya a na-amụta ya".* okwu ndị ahụ akara ihe n'okpuru bụ ilụOnye tụrụ ilu ahụ bụ Mz. Iyiọkụ, ka ọ hụrụ nwunye ya bụ Ọjịugo ka ọ kwodochara tejuchaa uri ma n'ọnụ, mbọ aka, mbọ ụkwụ, nakwa nku anya, Iyiọkụwee na-ajụ ya ebe ọ na-aga, ka ọ na-ajụ ya ajụjụ ahụ, ha wee nwewe nsogbu ma ọ bụ nghọtahie ma kọwa ọnụ, n'oge a ka nwa ha nwaanyị bụ Ọlụchị batakwara ma sị ha, ha nye ya otu puku naịra, mgbe ahụzi ka Mz. Iyiọkụ jiri tụọ ilu ahụ. Ihe ilu ahụ pụtara n'ọnọdụ Mz. Iyiọkụ jiri tụọ ya bụ na ọ bụ nne nwaanyị na-eme omume nwa ya a na-enyomi ya, ma ọ bụ na-emekwa ka nne ya si eme. Na "kịmna" (n'Ihuakwụkwọ - 16).

## Ọnọdụ Ọgbakọ

Na "K Ị M N A", (n'ihuakwụkwọ - 67), ilu ọzọ batara bụ nke a: "*ọ bụ na unu anaghị na onye kwere ka e were isi ya tiwaa akụoyibo na onye ahụ agagịzi eso taa ya bụ akụ".*Okwu ndị ahụ a kara ihe n'okpuru bụ ilu. Onye tụrụ ilu ahụ bụ Igwe ndị Amangodo o jiri ya wee zọrọ isi onwe ya, mgbe ya na ndị ichie ya nọ nzuko, ndị ichie wee rịọọ

ya ka ọ rọrịọ ha ndị nnanna ka iwe ha dajụọ n’ebe ndị ichie nọ maka mmehie ha, ihe ilu ahụ pụtara n’ọnọdụ Igwe jịrị tụọ ya bụ na o nwere ka ọ ga-esi rịọ ndị nnanna arịrịọ ahụ ka ha gbaghara ndị ichie maka omume ọjọ ha, ya bụ Igwe abakwa na nsogbu ndị nnanna (Ihu akwụkwọ - 67). Ndị nchọcha a chọpụtara na atụtụ ọnọdụ na diskos analisis bụ atụtụ kacha mma iji tụcha njiatule nchọcha a maka na ilu ọ bụla a turu na nchọcha a nwere ọnọdụ a nọrọ naya tụọ ya ma nwekwa nghọta dabara adaba nke ọma n’ihe e jiri maka ya tụọ ya n’ọnọdụ ahụ bụ ihe mere e jiri maka ya tụọ ya bụ ilu.

## Ọnọdụ Ọgbakọ

Ịlụ ọzọ sitere na ‘k ị m n a’, bụ nke a: *Nkịta ataa ọkpụkpụ a nyara ya n’olu”.* Okwu ndị ahụ a kara ihe n’okpuru bụ ilu. Onye tụrụ ya bụ Bekee, mgbe Igwe kpọrọndị Amangodo izu, na-agwa ha ka ndị nkụzi nọ na kọleji ha si arafusi ma na-emebisi ụmụaka ụmụ nwaanyị ha. Ihe ilu ahụ pụtara n’ọnọdụ Bekee jiri tụọya bụ ilu bụ na ndị nkuzi emebichala ma ọ bụ edughiela ụmụaka ụmụ nwaanyị ha, ha dunyere ha ka ha zụọ ma ọ bụ kuziere ha ezigbo ọmụme (Ihu akwukwọ-8). Atụtụ ọnọdụ na atụtụ diskọs analisis debachara nke ọma n’iji tụcha njiatule nchọcha a ma bakwa uru nke ọma maka na ịlụ ọ bụla a tụrụ na nchọcha a nwere ọnọdụ e jiri tụọ ya ma nwekwa nghọta dabara nke ọma n’ihe mere e jiri maka ya tụọ ya n’ ọnọdụ ahụ e jiri tụọ ya.

## Ọnọdụ Ọgbakọ

Ebe ọzọ ilu batakwara na ‘k ị m n a’ bụ n’ (Ihu akwụkwọ - 74). Ilu ahụ bụ nke a: ‘o ji ọsọ agbakwu ọgụ amaghị na

agụbụ ọnwụ". Onye tụrụ ilu ahụ bụ Nze Chieze mgbe Igwe kpọrọ ndị Amangodo nzuko maka sọbụjekịtị a na-akpọ Seks Edukeshọn, ewebatara na Koleji ha, iwe wee, jide ndị Amangodo, ha na-ekwu ka ha ga-esi gbochie ya bụ ọnọdụ. Ihe ilu ahụ pụtara n'ọnọdụ Nze Chieze jiri tụọ ya bụ ka ha ghara ibu ụzọ katọọ ya bụ Sọbụjekitị a kpọrọ seks Edukseshọn,na ọ ka mmaka ha burugodụ ụzọ hụụ ihe ọ ga-eweta tupu ha ewe iwe ma ghara iji iwe mebie ihe, ka ọgbaghara ghara idi n'etiti ndị Amaugodo na ndị nkuzi (n'ihuakwụkwọ-74). Ọ bụ atụtụ ọnọdụ na diskọs analisis bụ atụtụ ndị nchọcha a jiri tụcha njiatule ya maka na ha barauru nke ọma, maka na ilu ọ bụla a tụrụ na nchọcha a nwere ọnọdụ a norọ tụọ ya ma nwekwa nghọta dabara adaba nke ọma n'ihe mere e jiri tụọ ya n'ọnọdụ ahụ e jiri tụọ ya, n' èjijè Igbo ndị e jiri mee nchọcha a.

**Nchịkọta na Ntunye Aro**

Na nchịkọta nchọcha a nchọputa onye nchocha na-egosi na ndị odee ejije Igbo ndị ahụ e jiri mee nchọcha a webatara ilu Igbo n'ọnọdụ di iche iche n'ejije ha, ma bụrụkwa, mgbe ilu ndị ahụ kwesiri ịbata n'ọnọdụ e jiri tụọ ha. Dịka ọnọdụ ndị a: mkparịta ụka, esemokwu/okwunụka na ọgbakọ. N'ilu ndị ahụ dị n'akwụkwọ ejije ndị ahụ e jiri mee nchọcha bụ ka e were kwalite asụsụ Igbo ka ọ kwụrụ chịm. O nwekwara ike bụrụ ka asụsụ Igbo kaa aka na nghọta ebe ofeke nọ. Ndị odee jiri ejije ndị ahụ gosịpụtakwa otu ndị Igbo siri nwee mmasị pụrụ iche n'ebe ilụ Igbo nọ mgbe ọ bụla ha nọ n'ọgbakọ, mkparịta ụka ma ọ bụ nkata n'etiti onwe ha, ma ọ bụ mgbe ha achọghị ka ofeke ghọta ihe a na-ekwu. Nchọcha a chọpụtara na atụtụ diskọs analisis na atụtụ ọnọdu dabara n'iji ha kọwa ilu ndị ahụ niile nakwa ihe ha pụtara n'ọnọdụ e jiri maka ya tụọ

ha n'ejiije Igbo ndị ahụ a họrọ mee nchọcha a. N'ikwu eziokwu, ilu Igbo bụ ihe kwesiri ekwesi ka ndị odee agụmagụ Igbo ọkachasị n'ejije Igbo na-ewebata ya n'akwụkwọ agụmagụ Igbo ka ọ na-akwalite mkpụrụokwu Igbo ma mekwa ka asụsụ Igbo na-eto ma bụrụkwa asụsụ kwụ chịm. Ya bụ na ọ dị ṅnukwu mkpa ka a na-etinye ilu Igbo n'agụmagụ ụmụ Igbo ka ụmụ Igbo o kachasị ndị na-etolite etolite bụ ndị na-amaghị chọrọ ịma, ka e si atụ ilu nakwa ka e si akọwa ya mata ya, nakwa uru ilu bara mgbe a nọ n'ọgbakọ ma ọ bụ mgbe ndị odee na-ede agụmagụ ha.

**Edensibịa**


Agụgụ, M. O. (2010). *Ka ị ma nke a.* Matag educational research: Ukehe, Nsụka, Enugwu Nigeria.

Anis, P. & David, S. (1978). *A contextual theory of epistemic justification:* American philosophical quarterly. 15, 213- 219.

Bowles, H. (2008). Meaning and Discourse in English' in Linguaingless 2 Ilem, Module 2 2008, 9. Lesson 1- 17. Eze, R. I. (2019). Mmụta asụsụ Igbo n'ogo juniọ Sekọndịrị: Chuka educational publsehrs, Nsukka Nigeria.

Greetz, C. (1973). *The interpretation of culture: Selected Essays.* New York Basic Books.

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ ọdịnala Igbo.* Onitsha: African Publisher Ltd.

Obidiebube, J. I. (2009). *Akpịrị Richie ụzọ.* Onitsha: Auchaki international publishser.

Ofomata, E. C. (2010). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo.* Nke ndị siniọ sekondịrị: Formal publishes (Nig) Ltd.

Okafor, S. O. (2014). *The Ominous Profetic and Ritualistic Phenomena:* Predominant motifs in Selected work of Igbo contemporary playwrights. Ph.D Thesis, Nnamdi Azikiwe University Awka.

Schaffer, J. & Knobe, J. (2011).*Contrastrive knowledge surveyed.* Nous, 46 (4) 675-708.

Ugwuoke, P. E., Onyegiri, C. D., & Ọkwọ, A. C. (2021). *Nyocha atụtụ ilu akpụokwu na Nsụka Igbo:* Sapientịa global Journal of Arts, humanities and development studies (SGOJAHDS), Vol. 4, No. 3 September, 2021.

Wodak, R. & Meyer, M. (2009). Critical discourse analysis: History, A gaude, Theory and Methodology. In R. Wodak and M. Meyer (Eds). Methods of Critical Discourse Analysis, (pp. 1-33). London Sage.